# URU ỤDAOLU BARA NA NKỤZI NA ỌMỤMỤ ASỤSỤ IGBO

**Comfort Nwuka Ezebuilo; Jacinta Ndidi Okey-Agbo & Christiana Kelechi Ogbu**
**Department of Linguistics, Igbo & Other Nigerian Languages**
**University of Nigeria, Nsukka**
comfort.ezebuilo@unn.edu.ng; jacintaokeyagbo@gmail.com; christkeleogbu@gmail.com

**Ụmị**
N'agbanyeghị ọrụ ụdaolu na-arụ na nkụzi na ọmụmụ asụsụ, ọkachasị n'asụsụ ụdaolu, mgbe ndị ụlọ ọrụ gọọmentị na-ahụ maka asụsụ na ọmụmụ ya, ndị ọkankụzi, ndị ọkammụta na ndị nchọcha dị iche iche n'amụmamụ sayensị asụsụ na-atụle ihe gbasara ọmụmụ asụsụ na ihe ndị na-ama ya aka n'ihu, ha anaghị akpọta ụdaolu aha dịka otu n'ime ihe ndị e kwesịrị ilebanye anya maka ezigbo nkụzi na ọmụmụ asụsụ, ọkachasị n'asụsụ ụdaolu. N'ebe a kpọtara ya aha chaa, a chọpụtara na enwebeghị ezigbo nkọwa e nyere ya nke na-ezipụta n'uju, mkpa ịkụzi ụdaolu dị nye ọmụmụ asụsụ, ọkachasị asụsụ ụdaolu. Ọ bụ nke a kpatara nchọcha a ji lebaa anya n'uru ụdaolu bara n'inweta ezi ọmụmụ gbasara asụsụ ụdaolu dịka o si metụta asụsụ Igbo. Ya mere, otu n'ime nsogbu nchọcha a na-achọ ọsịsa ya bụ ọrụ ụdaolu na-arụ na nkụzi na ọmụmụ asụsụ dị ka o si metụta asụsụ Igbo. Njiatụle (data) nchọcha edemede a sitere na nchọpụta nsinonwe, ajụjụ ọnụ a gbagasịrị ndị mmadụ mara ihe gbasara ọmụmụ asụsụ nke ọma nakwa nke e nwetara n'ọwara ịntanet. Nchọpụta nchọcha a na-egosi na ọmụmụ asụsụ (asụsụ ụdaolu) ga-adị mfe ma dịkwa ire ma ọ bụrụ na a hụta nkụzi ụdaolu n'ọmụmụ asụsụ dịka ngwa ọrụ na-enweghi mgbagha, ọkachasị n'asụsụ ụdaolu. Nke a bụ maka na ọ bụ etu e siri debe olu kpọpụta okwu ọbụla n'asụsụ ụdaolu ka nkọwa pụrụ iche, ma dokwa anya ga-esi pụta. Ndị nchọcha na-atụnye aro ka e were ọmụmụ ụdaolu, na nkụzi ọmụmụ asụsụ ụdaolu n'ụlọ akwụkwọ n'ogogo dị iche iche kpọrọ ihe ebe ọ na-enye aka na nghọta mpụtara okwu yiri onwe ha na nsụpe ọsọ ọsọ, nakwa n'ederede.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Ụdaolu, Nkụzi, Ọmụmụ asụsụ, Asụsụ Igbo

**Abstract**
Despite different roles tone plays in teaching and learning language, especially in tone languages when government agencies in charge of education and language study, professors, Academic Doctors, and different researchers in linguistics discuss issues pertaining language teaching and learning and its challenges, tone, especially in tone languages is rarely mentioned as one of the essential factors to be considered while discussing language teaching and learning challenges. Where it is mentioned at all, it is observed that no serious policy is made to back its importance in language teaching and learning, particularly in tone languages. Therefore, this research seeks to examine the role tone plays in language teaching and learning, with reference to the Igbo language. This study employs a descriptive survey perspective in conducting its investigations. The data used in this research were gathered through introspection, informal oral interviews with linguists, library sources (textbooks and journal articles), and internet sources. Findings of this study reveal that the teaching and learning of language (tone language) will be easier and more active if tone is recognised as a factor that challenges language teaching and learning, and cannot be set aside in the teaching and learning of tone languages. This is because the rising and falling of tone (pitch) actively determine the meaning of an utterance. The study of tone should be included in the curriculum across all levels, with reference to the language teaching and learning

of tone languages, primarily to facilitate easy understanding of words with the exact spelling but different meanings.

**Mkpọlite**

Ọrụ ụdaolu na-arụ na nkụzi na ọmụmụ asụsụ dị ezigbo mkpa. Ọ na-adabere n'asụsụ wee na-arụ ọrụ. Ya mere, tupu ekwube okwu ntụle ma ọ bụ ọmụmụ gbasara ụdaolu, a ga-enwegodu asụsụ nke ọmụmụ ụdaolu ahụ ga-agbado ụkwụ na ya. Ụdọ jikọtara asụsụ na ụdaolu siri oke ike. N'ikwu eziokwu, asụsụ bụ ìdé ji ụlọ na nnweta ezi mmekọrịta, mkpakọrịta, nkwukọrịta na ndekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya. E wezuga asụsụ, ụwa kaara ịnọ n'ogbi, ọchịchịrị na nghọtahie dị egwu, tụmadị n'ihe mgbagwoju anya dị iche iche. Ka o sila dị, e nwere ihe ndị na-enye aka n'ime ka nkụzi na ọmụmụ asụsụ ọbụla a na-atụle gaa were were ma dokwa anya, ọkachasị na nkụzi na ọmụmụ asụsụ ụdaolu. Ihe ndị ahụ na-enye aka n'inweta ezi nghọta na mmụta asụsụ n'ụzọ doro anya ka a kpọrọ n'ihe ọmụmụ a, ábụ́bọ́ ma ọ bụ akarangwa ọmụmụ asụsụ, ọkachasị n'asụsụ ụdaolu. Nkụzi ụdaolu asụsụ so otu n'ime ihe ndị ahụ na-enye aka na nghọta na mmụta asụsụ n'ozuzu oke. Na ndụ mmadụ, asụsụ na ụdaolu abụghị ebumpụta ụwa, kama e nwere ike ịmụ ha amụ, ọkachasị mgbe onye ahụ nwetara onwe ya n'okirikiri na n'ọnọdụ dabara adaba ga-enye aka n'ịmụ ha – (asụsụ na ụdaolu). Nkụzi ụdaolu n'ọmụmụ asụsụ (asụsụ ụdaolu) dị oke mkpa maka igbochi nghọtahie na mgbagwoju anya nwere ike ísì na ya pụta. Site na nchọpụta ndị ọkachamara n'ihe gbasara asụsụ Naijirịa, e mere ka a mata na e wepụ Fulfude (asụsụ ndị Fulani), asụsụ niile dị na Naijirịa nwere ụdaolu. N'otu aka ahụkwa, ihe karịrị n'ọnụọgụ n'asụsụ obodo niile dị n'ọdịda anyanwụ mba Afrịka nwegbadoro ụdaolu (Ekwudu, 1988).

Ụdaolu pụtara etu okwu mmadụ na-ekwu si ada ụda mgbe a na-ekwu okwu. Ọ pụtakwara ịkpọli okwu elu ma ọ bụ ịkpọda ya ala mgbe a na-ekwu okwu. N'asụsụ ọbụla nwere ụdaolu, ịkpọli okwu elu ma ọ bụ ịkpọda ya ala mgbe ọ na-ekwesịghị nwere ime ka nghọta dị n'okwu ahụ gbanwee. Nke a bụ n'ihi na etu e si debe olu kpọpụta okwu na-eweta mpụtara ya. Ihe dị otu a adịghị n'asụsụ ndị Bekee n'ihi na asụsụ Bekee bụ otu n'ime asụsụ ndị a na-akpọ Asụsụ ndebeolu. N'asụsụ ndebeolu, ịkpọli okwu elu ma ọ bụ ịkpọda ya ala anaghị eweta mgbanwe na mpụtara okwu. Mana, n'asụsụ ụdaolu dị ka asụsụ Igbo, etu e si debe olu kpọpụta okwu na-ezipụta mpụtara ya bụ okwu.

N'okwu Igbo, ụdaolu dị ezigbote mkpa, ọkachasị n'ebe e nwere otu nsụpe okwu nwere ọtụtụ nghọta ma ọ bụ echiche. Ndịiche dị n'ụdaolu n'okwu abụọ ma ọ bụ karịa na-esite n'asụsụ bụ asụsụ ụdaolu. Iji gbanye ọ́kụ́ na nkọwa ụdaolu, Anagbogu, Mbah na Eme (2010) kọwara ụdaolu dị ka ndịiche dị n'olu dị ka o si gbasa nkejiokwu n'asụsụ ụdaolu nke nghọta ya pụtara ihe nke ọma ma dị iche n'ụdị ya. Dịka a kọwarala na mbụ, asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu. N'otu aka ahụ, Ikekeonwu, Ezikeojiaku, Ubani na Ugoji (1999) na-egosikwa na ọtụtụ asụsụ mba Afrịka na ụfọdụ asụsụ mba Eshia bụ asụsụ ụdaolu. Mgbe nwa amaala Igbo na-asụ asụsụ, ụdaolu na-apụta ihe n'asụsụ ya. O nweghi onye Igbo a na-akụziri etu e si etinye ụdaolu n'asụsụ ya, kama, ihe a na-agba mbọ ịkụzi bụ etu e si etinye akara ụda n'Igbo e dere ede, nke na-eme ka nghọta ihe a chọrọ ikwu pụta ihe, ma doo onye na-agụ ya anya. Ịkanye akara ụda n'okwu e dere ede na-eme ka nghọtahie ghara ịdị n'etiti onye dere na onye na-agụ. Akara ụdaolu na-eme ka ihe onye dere ya bu n'uche pụta ìhè kpọmkwem ma doo anya.

N'asụsụ Igbo, ótù nsụpe nwere ike inwe nghọta ma ọ bụ echiche dị iche iche dị ka okwu ahụ siri dị. Okwu ụfọdụ na-enwe nghọta abụọ, atọ, anọ ma ọ bụ karịa. Mgbe e dere okwu ndị nwere ọtụtụ

nghọta, naanị ihe a ga-eme iji mee ka onye na-agụ ya gụọ ihe onye dere ya bu n’uche bụ site n’ịkanye akara ụdaolu n’okwu ndị ahụ nwere otu ụdị nsụpe.

Ọmụma atụ:

(1a) “Isi” nwere ike ịpụta nghọta ndị a na-esote:

i. ahụghị ụzọ
ii. akụkụ ahụ mmadụ
iii. ịkwado ihe oriri
iv. iji imi chọpụta ihe ihe bụ site n’ikuru ikuku si na ya pụta

(b) “Akwa” nwere ike inye nghọta ndị a:

i. ihe e ji egbochi oyi ma ọ bụ ekpuchi ọtọ
ii. mgbe anya mmiri na-agba mmadụ n’anya n’ihi ihe mwute
iii. ihe oriri
iv. ihe a na-anọ n’elu ya arahụ ụra

(ch) “Ede” nwere ike ịbụ:

i. aha obodo
ii. aha ụdị nri
iii. iji mkpịsị ode ede ihe
iv. aha ụdị osisi

N’ọmụma atụ 1(a-ch), naanị ihe ga-eme ka okwu ndị a na ndị yiri ha pụta ihe nke ọma, ma doo anya ma ọ bụ zipụta echiche onye dere ha bu n’uche bụ naanị site n’ịkanye akara ụdaolu n’okwu ndị ahụgasị. Akara ụdaolu bụ akara e ji ezipụta ogo olu mmadụ n’okwu ma ọ bụ mgbe a na-akpọpụta nkejiokwu dị iche iche. Ịkanye akara ụda n’okwu, ọkachasị n’okwu ndị yiri onwe ha na nsụpe na-enyere ọgụụ aka ịmata etu e kwesịrị isi kpọpụta okwu ndị ahụ ka nghọta ha dị iche ma doo anya. Igbo nwere ụdaolu abụọ gbara ọkpụrụkpụ. Ha bụ: (i) ụdaelu “/” (ii) ụdaala “\” bịa nwekwa nke mere ya atọ bụ (iii) ụdansụda “–”

Ụdansụda dịwagara iche n’ụda abụọ ndị ọzọ n’ihi ihe ndị a na-esote;

- anaghị ebu ụzọ akanye ya na mkpụrụokwu
- ọ naghị ebido isiahịrịokwu
- ọ naghị esote ụdaala
- ihe ọ na-esote mgbe ọbụla bụ ụdaelu

N’ọmụmụ na nkụzi asụsụ Igbo, nkụzi ụdaolu na ka e si ezipụta ụdaolu site n’ịkanye akara ụda n’okwu ndị yiri onwe ha dị oke mkpa. Ọzọkwa, dị ka mkpụrụ edide si bụrụ fonim keusoro, etu ahụ ka akara ụdaolu si bụrụ fọnịm kentụkwasị. Ha bụ fọnịm n’ihi na ha na-eweta nghọta pụrụ iche na mkpụrụokwu. Ya mere, ajụjụ dị mkpa ọrụ nchọcha a na-achọ ịza bụ etu a ga-esi guzobe ezi nkụzi na ọmụmụ asụsụ ụdaolu (asụsụ Igbo) ga-agba n’ánwụ, uru nkụzi ụdaolu bara n’ọmụmụ asụsụ ụdaolu site n’itinye ọmụmụ ụdaolu n’ọrụ. Ọtụtụ oge, ụdaolu n’ahịrịokwu na-eme ka ahịrịokwu abụọ ma ọ bụ karịa yiri onwe ha n’usorookwu ghọọ ụdị ahịrịokwu dị iche iche. O nwere ike ime ahịrịnkwusa ka ọ ghọọ ahịrịajụjụ, nkebiahịrị kenkọwa ma ọ bụ nkebahịrị mbụrụna (Green & Igwe, 1963). Ọmụmaatụ:
(2a) Ànyị́ jị̀ egō (Ahịrịnkwusa)
(b) Ànyị̀ jị̀ egō? (Ahịrịajụjụ)
(ch) Ànyị́ jī égō (Nkebiahịrị kenkọwa)

(d) Ànyị́ jí égō (Nkebiahịrị mbụrụna)

Nchọpụta nchọcha ndị a, mgbe e tinyere ha n'ezi ọrụ ga-egbochi ụfọdụ nghọtahie na ihe mgbagwoju anya na-adapụta na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo, tinyekwara igbochi ụmụakwụkwọ ịda aghara aghara, ajụjụ gbasara ụdaolu n'ule, ma butekwa agamnihu n'ogo usoro nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo dịbu adị nke ga-emecha bute mwulite na ntolite sayensị ọmụmụ asụsụ.

Ka o sila dị, ihe kpaliri mmụọ ndị nchọcha n'inyocha n'ihe ọmụmụ a bụ na mgbe ndị ụlọ ọrụ gọọmentị dị iche iche na-ahụ maka asụsụ na ọmụmụ ya, tụmadị ndị ọkachamara na sayensị asụsụ, ndị ọkankụzi, ndị ọkammụta tinyere ndị nchọcha dị iche iche n'amụmamụ sayensị asụsụ na-atụle ihe gbasara ọmụmụ asụsụ na ihe ndị na-ama ya aka n'ihu, ha anaghị akpọta ihe gbasara ụdaolu aha. Ya bụ, ha ahụtaghị ụdaolu dị ka otu n'ime ihe ndị ahụ na-ama aka na mmweta ezi nkụzi na ọmụmụ asụsụ n'ụzọ doro anya. N'ebe a kpọtara ya aha nchancha, a chọpụtara na enwebeghị ezigbo nkọwa nye ya, nke na-ezipụta n'uju, mkpa ịkụzi ụdaolu dị nyere ọmụmụ asụsụ, ọkachasị n'ebe asụsụ ụdaolu nọ.

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'usoro nchọcha nkọwa. Ọ bụ nchọcha nkọwa nke e mere iji gosipụta uru ụdaolu bara na nkụzi na ọmụmụ asụsụ, ọkachasị n'asụsụ Igbo. Ihe nchọcha a ji wee họrọ usoro nchọcha nkọwa n'ime usoro nchọcha ndị ọzọ e nwegasịrị dị ka usoro sampulin nke sọvee, usoro kwontitetivu, usoro nnwale (eksperimentalụ), na usoro ndị ọzọ akpọghị aha bụ ka a hụ na e mere nchọcha tọrọ atọ na nchọpụta e nwetagasịrị n'ihe ọmụmụ a. Ntụcha nchọcha a sitere na nchọpụta nsinonwe, ajụjụ ọnụ a gbagasịrị ndị mmadụ maara ihe gbasara ọmụmụ asụsụ nke ọma nakwa nke e nwetara n'ọwa ịntanet, akwụkwọ ọgụgụ dị iche iche na ederede ụfọdụ sitegasịrị na jọnaalụ.

**Ntụlegharịa Agụmagụ**

Dị ka asụsụ si dị mkpa na mgbasa ozi, mkpakọrịta nakwa ịkpụ nghọta, etu ahụkwa ka ọmụmụ ụdaolu siri dị mkpa na nkụzi na ọmụmụ asụsụ ụdaolu. Etu mmadụ si debe olu mgbe ọ na-ekwu nwere ike izipụta ihe ndị a: nkwe, njụ, ajụjụ, nnagha, ndụmọdụ, iti iwu ma ọ bụ ọ́dà, ịma ọ́kwà na ndị ọzọ. Ya bụ, ụdaolu na-enye aka n'ebe ọ dị ukwuu n'ịkpụ nghọta. Ikekeonwu na ndị otu ya (1999) kọwara na ụdaolu gbadoro ụkwụ na piichi. Ya bụ, na ọ bụ na piichi ka e ji ezipụta ụdaolu. Piichii n'onwe ya na-apụta ihe site n'ọma jijiji ụdọ mkpọmụụda. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na asụsụ ọbụla na-eji piichii eme nghọta pụrụ iche site n'otu mkpụrụokwu ruo n'ibe ya bụ asụsụ ụdaolu. Mkpọụda na-ama jijiji mgbe a na-akpọpụta ụdaume (a, ị, ọ, ụ, e, ị, o, u). Ima jijiji a, na-egosi na ụdaume niile bụ ụdampụta. Mbah na Mbah (2004) hụtakwara ụdaolu dị ka mpụtara njikwa ogoolu ma kọwakwuo na ọtụtụ ihe na-emetụta ogo olu dị ka ndọtị mkpọụda nke na-eme ka ogo olu rịa elu. Ọzọ bụ na etu ikuku si aga na ngụ na-eme ka ogo olu dị elu ma ọ bụ ala. Crystal (1971) kọwara na ihe jikọrọ asụsụ na ụdaolu siri oke íké nke na agaghị ekewapụli otu n'ime ibe ya. N'ihi nke a, ọ kọwara asụsụ dị ka ụdaolu mmadụ a haziri ahazi n'ụdị ọdịmara nke na-abụghị ebumpụta ụwa mmadụ na onwe ya, e ji akọwapụta echiche site n'okwu ọnụ ma ọ bụ n'ederede.

N'ịga n'ihu, Anagbogu, Mbah na Eme (2010) na nkọwa nke ha na-egosi na ụdaolu bụ ndịiche dị n'olu dị ka o si gbasa nkejiokwu n'asụsụ ụdaolu, nke nghọta ya pụtara ihe nke ọma ma dịkwa iche n'ụdị ya. Ka o sila dị, n'ihe ọmụmụ a, e weere ụdaolu dị ka ịkpọli okwu elu ma ọ bụ ịkpọda ya ala mgbe a na-ekwu okwu. N'asụsụ ụdaolu ọbụla, ịkpọli okwu elu ma ọ bụ ịkpọda ya ala n'ụzọ n'ekwesịghị ekwesị nwere ike ime ka nghọta dị n'okwu ahụ gbanwee.

E nwere ngalaba ma ọ bụ ụdị asụsụ ụdaolu abụọ. Ha bụ asụsụ ụdaolu kọntọ na asụsụ ụdaolu rejista/levulu (Ikekeonwu na ndị otu ya, 1999). Asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu rejista/levulu. Asụsụ Naịjirịa ndị ọzọ dịka Efik, Edo, na ndị ọzọ bụkwazi asụsụ ụdaolu rejista.

**Asụsụ Ụdaolu Kọntọ na Njirimara Ya**

Asụsụ ụdaolu kọntọ bụ asụsụ e ji ụdaolu eme nghọta pụrụ iche site n'otu mkpụrụokwu ruo n'ibe ya, mana ejighị ya eme nghọta pụrụiche site n'otu ahịrịokwu ma ọ bụ nkebiahịrịokwu ruo n'ibe ya. N'asụsụ ụdaolu kọntọ, a na-enwe ọtụtụ ụdaolu. Ya bụ, o nwere ike inwerucha ụdaolu isii ma ọ bụ asaa nke na-esite na mgbanwe ọnọdụ piichii na mkpọpụta mkpụrụokwu. Ọzọkwa, a na-enwe mgbago ma ọ bụ mgbadata piichi site n'otu ebe ruo ibe ya dị ka: [ě] [ê] [ĕ]

**Asụsụ Ụdaolu Rejista na Njirimara Ya**

Asụsụ ụdaolu rejista/levulu bụ asụsụ na-enwe mkpọpụta piichi na levulu, na levulu, nke anaghị enwe mgbago ma ọ bụ mgbadata piichi site n'otu levulu ruo na levulu ọzọ dị ka na: [é] [è] [ē]. E lee anya n'ọmụmaatụ nke ụdaolu rejista, a ga-ahụ na ọ dị iche na nke ụdaolu kọntọ. Ihe ọzọ pụtara ihe n'asụsụ ụdaolu rejista/levulu bụ ọ naghị enwe ọtụtụ gbanwe piichii ma ọ bụ ụdaolu. Ọtụtụ asụsụ a mara dị ka asụsụ ụdaolu rejista, na-enwe ụdaolu abụọ ma ọ bụ atọ sọọsọ. Ọ bụ ejisiri ike ka ha ga-eji nwe ruo ụdaolu anọ dị ka n'asụsụ Yala Ikom. N'asụsụ Igbo, ụdaolu abụo pụtara ihe kpọmkwem, bịakwa nwe nke atọ a kpọrọ ụdansụda (daunstepu)-ya bụ, ụdaelu sụdara ala ntakịrị. Efik nwekwara ụdaolu abụọ. N'asụsụ ụdaolu rejista, e ji ụdaolu eme nghọta pụrụiche site na mkpụrụokwu ruo n'ibe ya, nakwa na site n'ahịrịokwu/nkebiokwu ruo n'ibe ya (Ikekeonwu, 1998).

Asụsụ ụdaolu rejista nwere ngalaba abụọ. Ha bụ asụsụ ụdaolu levulu TERESI na asụsụ ụdaolu levulu DISKIRITI site na nkọwa Welmers (1973). Ọ kọwara na n'asụsụ ụdaolu levulu teresi, na a na-enwe usoro dị ka daundrifiti, ebe ụdaolu na-enwe nsedata na piichi site na mbido ahịrịokwu ruo n'isi njedebe ya. Ka o si kwụrụ, asụsụ ụdaolu levulu diskriti anaghị enwe daundrifiti. Anakwaghị enwe mgbadata ma ọ bụ nsedata piichi site na mbido ahịrịokwu ruo n'ọgwụgwụ ya. Site na nchọcha e megoro nso nso a banyere nnyocha asụsụ ụdaolu levulu dị iche iche, a na-egosi na nkọwa asụsụ ụdaolu levulu diskriti nwere nkọcha maka na nnyocha niile e megoro na-egosi na o nweghi mgbe piichi anaghị agbadata site na mbido nkebiokwu ma ọ bụ ahịrịokwu ruo na ngwụcha. (hụ Ikekeonwu, 1993, Ikekeonwu na ndị otu ya, 1999, Ugwuona na ndị ọzọ (2020). E wezuga nke a, ọ bụghị naanị asụsụ ụdaolu nwere usoro daundrifiti ka a na-akpọ asụsụ ụdaolu levulu teresi. Asụsụ ụdaolu levulu nwere usoro daunstepụ ma ọ bụ daundrifiti bụcha asụsụ ụdaolu levulu teresi.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu levulu teresi. Ụdaolu na-arụ ụzọ ọrụ abụọ gbara ọkpụrụkpụ n'asụsụ Igbo - nke lezikal, na nke grama/ụtọasụsụ. Nke lezikal, ọ na-eme ka e nwe nghọta pụrụiche site n'otu mkpụrụokwu ruo n'ibe ya n'okwu ndị yiri onwe ha na nsụpe. Ọmụma atụ:

| | | | |
|---|---|---|---|
| (3) | (a) | (b) | (ch) |
| | ákwá (cry) | ísí (head) | ákụ́ (kernel) |
| | àkwà (bed) | ísì (smell) | àkụ̀ (wealth) or (a type of insect) |
| | àkwá (egg) | ìsì (blindness) | àkụ́ (to beat (drum)) |
| | ákwà (clothes) | ísī (to cook) | |

N'ọrụ nke grama, e ji ụdaolu eme nghọta pụrụ iche site n'ahịrịokwu/nkebiokwu ruo n'ibe ya dị ka:

(4a) Ọ́ zụ̀rụ̀ ọ́dụ̀ – Question

(b) Ọ́ zụ̀rụ̀ ọ́dụ́ – statement

(ch) Ósísí ụ́kwà – Breadfruit's stick


(d) Òsísí ụ́kwà – Cooking of breadfruit

(e) Ó gèrè ńtị̀ – Statement

(f) Ò gèrè ńtị̀ – Question

**Daundrifiti/Mkpọda ụdaala**

Usoro daundrifiti bụ otu njirimara asụsụ ụdaolu levulu teresi nke asụsụ Igbo dabakwara na ya. Ọ na-eme ka e nwe nsedata/mgbadata piichi/ogo olu site na mbido ahịrịokwu/nkebiahịrị ruo na ngwụcha. Dị ka Nwamadị Hyman (1975) depụtara, na akwụkwọ ndị ọzọga, na-akọwa na daundrifiti na-apụta ihe mgbe e nwere usoro ụdaolu H-L-H. Ya bụ, ebe ụdaolu elu butere ụzọ, ụdaolu ala a na-esote ya, ụdaolu elu ọzọ esotekwa ya. N'ebe a, ụdaolu elu nke abụo na-adị ala na piichi karịa nke mbụ. A na-akọwa na nke a bụ maka ụdaolu ala nke na-abịa n'etiti na-eme ka piichi ụdaolu elu nke abụọ gbadata. Ọmụma atụ:

(5)



Ihe e sere ese a na-egosi na ụdaolu 'a' nke dị na 'Nna' dị elu karịa ụdaolu 'a' nke dị na 'ya'. N'otu aka ahụ kwa ka ụdaolu elu ga na-esi akpọda were ruo na njedebe ahịrịokwu ahụ. Ikekeonwu na ndị otu ya (1999) kọwara ụdị ihe osise a dị n'elu dị ka steepụ ma ọ bụ tereesi. Site mgbe ahụ gabazịa, a na-akpọ asụsụ ụdaolu tereesi.

Ụsoro a pụtara ihe site na nsedata piichiii dị ka steepu/tereesi etu e gosirila ya n'ihe ọmụma atụ dị n'elu. Ọ dịkwa mkpa ịmata na nnyocha e jiri igwe kọmputa were mee gbasara usoro daundrifiti n'asụsụ Igbo gosiri na daundrifiti na-apụta ihe n'ahịrịokwu/nkebiokwu ndị ọzọkwa. Ya bụ na ọ bụghị naanị mgbe e nwere H-L-H, kama ọ na-apụtakwa ihe ebe e nwere L-H-L; H-H-H; L-L-L. Maka nkọwami nke a, hụ Ikekeonwu (1996). Gosikwara ka usoro daundrifiti si apụtakwa ihe na Hausa, ma na-emetụta a ụdaolu elu ma nke ala.

**Daunsteepụ/ụdansụda (downstep)**

Daunsteepụ dị ka daundrifiti na-egosikwa nsedata piichii, kama, daunsteepụ na daundrifiti abụghị otu ihe. Mgbe ụfọdụ, usoro daunsteepụ nwere ike ịmalite site na daundrifiti. Ya bụ, ebe e nwere usoro ụdaolu H-L-H, ọ bụrụ na 'L' dapụ mgbe o mechara ka ụdaolu elu nke abụọ gbadata na piichii, ụdaolu nke abụọ ka a na-asị na ọ bụ daunsteepụ (hụ Ikekeonwu, 1997 maka nkọwami).

Ụdansụda abụghị akaraụdaolu nke aka ya dị ka ụdaolu elu na nke ala. Site na nkọwa Ikekeonwu na ndị otu ya (1999), ụdansụda bụ ụdaolu zọghachiri otu nzọ ụkwụ azụ. Nke a na-apụtakarị ihe mgbe ụdaolu elu abụọ nọdebere onwe ha, ụdaolu nke abụọ asụdata ala ma ọ bụ gbadata ala na mkpọpụta ya karịa nke mbụ. Ọmụma atụ

(6) a. Ígwē (ịkwọ ihe)

b. íbē (ótừ ibe akwụkwọ)

ch. íjē (ịga, mmadụ isi ebe nọ zọpụ ije)

d. ézē (Akụkụ ahụmmadụ e ji ata ihe)

e. ágā (ṅtụtụ, ihe e ji adụchi ihe)

f. óbē (ihe e ji akpọgbu mmadụ/nsogbu)

g. égō (okpogho), dgz.

A bịa na mkpọpụta ihe ọmụma atụ 6(a-f), ụdachi/mkpụrụ ụdaume ndị ikpeazụ na mkpụrụokwu Igbo ndị ahụ dị n'ihe ọmụma atụ 6(a-f) bụgbado ụdaolu elu, mana na mkpọpụta ha, ụdaolu elu dị na ha sụdatara ntakịrị bụrụzịa ụdansụda. Akara e ji ezipụta ụdansụda na-adị uhie (-) dị ka e gosipụtara n'ihe ọmụma atụ ndị ahụ dị n'elu. Chetakwa na ọ bụghị mgbe niile ụdaolu elu abụọ nọketere onwe ha ka nke abuọ na-asụda dị ka n'ihe ọmụmaatụ ndị a na-esote:

(7) a. égwú (ukwe)

b. égbé (ụdị nnụnụ)

ch. ọ́kụ́ (ihe e ji esi ihe)

d. ímí (akụkụ mmadụ e ji eku ume ma na-anụ isi)

e. ányá (akụkụ mmadụ e ji ahụ ụzọ)

f. úgwú (ala gbaliri elu), dgz

Ọ dịkwa mkpa ịkowa ebe a, na ọ bụghị oge niile n'asụsụ nwere daunsteepụ, ka daunsteepụ na-amalite site na ndapụ ụdaolu ala bịara n'etiti ụdaolu elu abụọ dị ka a kọwarala na mmalite nkọwa ụdansụda a. E lee anya n'ihe ọmụmaatụ (6a-g) n'asụsụ Igbo, a ga-achọpụta na o siri ike ịkọwa ihe dapụrụ tupu enwetagasịa okwu ndị ahụgasị (6a-g). Ihe a ga-ghọta bụ na daunsteepụ na-apụtakebe ihe n'ahịrịokwu ma ọ bụ nkebiokwu n'asụsụ Igbo dị ka:

8a) ísí ókē

(b) ányá éhī

(ch) gbáá ọ́sō

Ikekeonwu (1996) na-egosi na ebe ọbụla e nwere daunsteepụ na mkpụrụokwu, ọ na-abụ na mkpụrụokwu a bụ nkabiri/ịchafụ nkebiokwu/ahịrịokwu nwere daunsteepụ.
Ọmụmaatụ:

(9a) é↓gó < íbé é ↓ gó

(b) Ọ́nwụ́ ↓ ká < ọ́nwụ́ ↓ ká ↓ ḿ ↓ íké

Ihe ọzọ kwesịrị ka e cheta bụ na mmalite daunsteepụ n'ahịrịokwu/nkebiokwu na-esi ihe e ji mee mgbado ụkwụ dị mkpa n'ahịrịokwu ma ọ bụ nkebiokwu. Ọzọ, mkpụrụokwu a ga-akpọ fokọọsị, ya bụ, ihe mgbado ụkwụ dị mkpa n'ahịrịokwu ma ọ bụ nkebiokwu. Ọzọ, mkpụrụokwu a ga-akpọ fokọọsị okwu ga-emerịrị ka ụdaolu elu n'otu nkejiokwu ya, mgbe nkejiokewu a gbachara, ụdaolu elu ọbụla na-esote ya ga-agbadata na piichi n'ọnọdụ daunsteepụ.

Usoro daundrifiti na daunsteepụ dị ka etu e siri hụ na-apụta ihe n'asụsụ Igbo. N'asụsụ Igbo, usoro abụọ ndị a na-abịkarị n'ahịrịokwu ma ọ bụ na nkebiokwu. Ọzọ kwa, e nwere ike ịsị na usoro ndị a na-egosi ka ndebeolu si apụta ihe n'Igbo. A ga-echetakwa na ọ bụ eziokwu na Igbo bu asụsụ ụdaolu, mana e nwere ụfọdụ usoro mmekọrịta mkpụrụokwu n'ibe ya na-egosi ndebeolu na ya. N'otu aka ahụ kwa, n'asụsụ ndebeolu, a na-enwe ụfọdụ ihe ngosipụta na ya.

**Ọrụ Ụdaolu na-Arụ n'Asụsụ Igbo**

Ụdaolu n'asụsụ mba ụwa dị iche iche, ọkachasị n'asụsụ ndị bụ asụsụ ụdaolu, nwere ezigbo ọrụ ọ na-arụ n'ebe ịghọta asụsụ nke ọma dị. N'asụsụ Igbo, ụdaolu na-arụkwazị ezigbo ọrụ ma dịkwa mkpa n'ihi na asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu. Ọrụ ụdaolu dị ka o si metụta asụsụ Igbo na-apụta ihe n'ụzọ abụọ: n'ụdachi na mkpụrụokwu nakwa n'ụdamgbe n'usorookwu. Ọ bụ site n'ịkanye akara ụdaolu na mkpụrụokwu ma ọ bụ n'usorookwu ka e si ezipụta ụdaolu okwu ma ọ bụ usorookwu nwere n'asụsụ ọbụla bụ asụsụ ụdaolu, ọkachasị na mkpụrụokwu/usorookwu nwere otu ụdị nsụpe n'odide ha. N'okwu e kwuru n'ọnụ nkịtị, ụdaolu na-arụkwa ọrụ na ya n'ihi na ụdaolu bụ piichii ịla elu na ala n'akpọmụda nke na-ebute mkpịiche na mkpụrụokwu ma ọ bụ n'usorookwu. Nke a bụ maka na mkpọhie mkpụrụokwu ma ọ bụ usorookwu na-ebute nghọta dị iche n'ihe okwu ma ọ bụ usorookwu ahụ kwesịrị ịpụta/izipụta.

**Ọrụ Ụdaolu na Mkpụrụokwu (Ụdachi)**

Ụdaolu na-eweta nghọta dị iche n'etiti mkpụrụokwu abụọ yiri onwe na nsụpe. Nzipụta ndịiche e nwere n'etiti ngwaa na ngwaa, aha na aha, ngwaa na aha, ma ọ bụ na nkọwa na aha.
Ọmụmaatụ Ngwaa na ngwaa dị ka:

(10a) íbù (fatness)

íbú (load)

(b) íkō (to hang)

Ikó (ihe e ji aṅụ mmiri)

Ọmụmaatụ Aha na aha dị ka:

(11a) òpì (horn)

òpí (name of a town)

(b) òké (rat)

òké (male)

(ch) ódō (pestle)

ódò (name of person)

Ọmụmaatụ ngwa na aha dị ka:

(12a) ègó (to buy),

égō (money)

(b) àgó (to deny)

ágò (a small stick used to take tobacco snuff)

Ọmụmaatụ nkọwa na aha dị ka:

(13a) óchá (white)
óchã̃ (colour)
(b) ihe (light)
ìhé (sometimes)
(ch) úbè (type of weapon)
úbé (a kind of fruit)

Ụdaolu nwekwara ike ime ka e si n'ahịrịokwu nweta aha dị ka n.

(14a) ágá ḿ n'íhú àgàḿnííhú
(b) ó dì ḿmá òdìḿmá

**Ọrụ Ụdaolu n'Usorookwu**

Ụdaolu, oge ụfọdụ na-eme ka ahịrịokwu maọbụ usorookwu abụọ ma ọ bụ karịa yiri onwe ha n'usorookwu ghọọ ụdị ahịrịokwu dị iche iche. Ụdaolu nwekwazịrị ike ime ka ahịrịokwu nkwusa ma ọ bụ ahịrịokwu nkịtị gbanwee ghọrọ ahịrịajụjụ, nkebiahịrị kenkọwa ma ọ bụ nkebiahịrị mbụrụna dịka e gosipụtagoro ha n'ihe ọmụmaatụ 2 (a-d) n'okpuru mkpọlite n'ederede a dị ka Green na Igwe (1963) siri zipụta ha.

Ihe nchọpụta ndị ahụ mgbe e tinyere ha n'ezi ọrụ ga-egbochi ụfọdụ nghọtahie na ihe mgbagwoju anya na-adapụta na nhazi na n'ọmụmụ asụsụ Igbo, tụmadị igbochi ụmụakwụkwọ ịda aghara aghara, ajụjụ gbasara ụdaolu n'ule ma butekwa agamnihu n'ogo usoro nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo dịbu adị, nke ga-emecha bute mwulite na ntolite sayensị ọmụmụ asụsụ.

**Nchịkọta Nchọpụta**

Ederede a elebanyela anya n'ọrụ ụdaolu na-arụ n'asụsụ, ọkachasị etu o si metụta asụsụ ụdaolu. Ebe mgbado ụkwụ nchọcha a bụ n'asụsụ Igbo, bụ otu n'ime asụsụ ụdaolu e nwere n'asụsụ ụdaolu dịgasị na Naịjirịa. Nchọpụta nchọcha a na-egosi na dị ka mmadụ enweghi ike ikewapụ onwe ya n'ebe onyinyo ya dị, etu ahụ kwa ka ọ gaghị abụ ihe ga-ekwe omume bụ iwezuga n'akụkụ na nkụzi na ọmụmụ ihe gbasara ụdaolu n'ebe ihe gbasara nkụzi na ọmụmụ asụsụ ụdaolu ọbụla dị. N'ihi nke a, ọrụ a lebanyere anya n'ọrụ ụdaolu na-arụ n'asụsụ, ọkachasị dịka o si gbasata asụsụ Igbo, ya bụ, etu ịkanye akara ụdaolu si enye aka na nnweta ezi nkọwa na nghọta doro anya n'ụzọ kwesịrị ekwesị. Nchọpụta ọrụ a na-egosi na ụdaolu na-enye ìhè n'ebe ọ dị ukwuu n'ihe gbasatara ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihi na asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu, nke pụtara na ụdaolu na-enye aka n'iweta mkpịiche n'etiti mkpụrụokwu ma ọ bụ usorookwu yiri onwe ha na nsụpe nakwa n'odide ha n'otu n'otu.

Ụdaolu, mgbe ụfọdụ na-eme ka ahịrịokwu ma ọ bụ usorookwu abụọ ma ọ bụ karịa yiri onwe ha n'usorookwu gbanwee ghọọ ụdị ahịrịokwu dị iche iche. O nwere ike ime ka ahịrịnkwusa gbanwe ghọrọ ahịrịajụjụ, nkebiahịrị kenkọwa ma ọ bụ nkebiahịrị mbụrụna dị ka e gosipụtara ya na n'ihe ọmụmaatụ 2 (a-b) n'ederede a. Ya bụ, ndụmọdụ ma nkasiobi a na-enye onye ma ọ bụ ndị na-amụ asụsụ Igbo n'uju maka agbamume na n'ime ka ha ghọta asụsụ Igbo nke ọma, bụ ka ha tinye uchu n'ịmụ ụdaolu asụsụ Igbo maka na ya bụ asụsụ bụ asụsụ ụdaolu. Emeghi ya etu a, ga na-eweta

nghọtahie n'okwu Igbo ụfọdụ, tụmadị n'ụfọdụ usorookwu Igbo. Ka o sila dị, ụdaolu nọ n'isi mgbago n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihi na ọ bụ asụsụ ụdaolụ ebe ngbọta okwu na-adabere n'etu e siri debe olu.

Ka ihe si kwụrụ, onye/ndị na-amụ asụsụ bụ asụsụ dị ka Igbo, ga-adị njikere ịmụtagasị ụdaolu e nwere n'asụsụ ahụ iji na-akọwapụta mpụtara okwu yiri onwe ha na nsụpe ma ọ bụ usorookwu yiri onwe ha, ma sitekwa n'ụzọ dị etu ahụ kpochapụ nghọtahie na ihe mgbagwoju anya nwere ike ịdapụta.

**Mmechi**

Na mmechi, anyị elebanyela anya n'ọrụ ụdaolu na-arụ n'asụsụ, ọkachasị etu o si pụta ihe n'asụsụ Igbo, ụzọ dị iche iche e si akanye akara ụdaolu n'okwu ma ọ bụ n'usorookwu Igbo nakwa na mkpụrụedemede ndị na-ebu akara ụdaolu. Anyị na-ekwusi ike na n'imirikiti ihe niile gbasara ọmụmụ asụsụ Igbo hiwere isi n'ụdaolu ya. Ya mere, nkụzi na ọmụmụ asụsụ na mpaghara nakwa n'ogogo ọbụla n'ụlọ akwụkwọ ga-adị ire, ma e weere ọmụmụ na nkụzi ka e si ezipụta ụdaolu n'okwu ma ọ bụ n'usorookwu kpọrọ ihe.

**Aro/Mkpọku**

Ndị nchọcha na-atụnye aro ka ndị ụlọ ọrụ gọọmentị na-ahụ maka ihe gbasara asụsụ na ọmụmụ ya, ọkachasị asụsụ ụdaolu na-ahụta nkụzi ụdaolu na etu e si akanye akara ụdaolu dị ka otu ihe dị mkpa so n'ihe ndị na-eche mmụta asụsụ ụdaolu aka mgba mgbe ọbụla ha na-atụle ihe gbasara nkụzi na ọmụmụ asụsụ, ma nye ya (ụdaolu) ọnọdụ kwesịrị ya, bụ na gọọmentị etiti ala anyị kwesịrị itinye nkụzi na ọmụmụ ụdaolu n'uju n'ogo dị elu mgbe ọbụla a na-atụle maka ezi nkụzi na ọmụmụ asụsụ, ọkachasị n'asụsụ ụdaolu. Nke a ga-enye aka ịhụ na e nwere ezi ọmụmụ nye asụsụ ahụ.

Ọzọ, ha na-atụnyekwa aro ka ụlọ akwụkwọ ọbụla n'ogogo agụmakwụkwọ ọbụla, gbaa mbọ hụ na ha nyere ndị nkụzi maara ihe ekwe na-akụ gbasara ụdaolu dị iche iche e nwere n'asụsụ obodo anyị bụ Naịjirịa ọrụ ịkụzi asụsụ, ọkachasị asụsụ ụdaolu n'ụlọ akwụkwọ ha, iji hụ na ha ji ụdaolu kwesịrị ekwesị akụzi asụsụ ahụ (asụsụ ụdaolu). Ka o si kwụrụ, e kwesịrị inwe ọkpụkpọ oku ma ọ bụ ọgbakọ nke ndị nkụzi n'ọmụmụ sayensị asụsụ ga na-akpọ ugboro ugboro iji kọwadara ha mkpa ọ dị bụ mmadụ ịbụ a kwaa, ọ kwụrụ n'ihe ọ na-akụzi, tụmadị etu nkụzi ụdaolu n'ụzọ kwesịrị ekwesị maka nghọta asụsụ n'ụzọ zuru oke dị n'asụsụ ọbụla bụ asụsụ ụdaolu, ọkachasị etu o si apụta ihe na mkpụrụokwu yiri onwe ha na nsụpe nakwa n'usorookwu ma ọ bụ ahịrịokwu yiri onwe ha n'asụsụ Igbo, tụmadị n'asụsụ ọbụla bụ asụsụ ụdaolu.

**Edemsibịa**

Anagbogu, P.N., Mbah, B.M. & Eme, C.A. (2010). *Introduction to linguistics.* Awka: Amaka Dreams.

Chomsky, N. (1957). *Syntactic structure.* The Hague: Mouton

Crystal, D. (1971). *Linguistics.* Great Britain: Hazwell and Viney Ltd.

Ekwudu, S.E. (1988). *Ụtọasụsụ ọ gbara ọhụrụ Igbo.* Onitsha: Nigeriana Educational Press.

Emenanjo, E.N. (2009). *Nchịkọta asụsụ na ụtọasụsụ Igbo Izugbe.* Lagos: Longman Nigeria PLC.

Emenanjo, E.N., Okolie, O.O. & Ekwe, B.U. (2010). *Igbo maka sinịo sekọndịrị 1.* Ibadan: University Press Plc.

Emenanjo, N. (1979). *Element of modern Igbo grammar.* Ibadan: O.U.P.

Eze, C. N., Aboh, C.S. & Aruah, V.O. (2017). Uru asụsụ bara na mwulite, nchekwa na mbufe sayensị na nkanụzụ: Dịka o si metụta Naijirịa. Na K, Nwadialor (Ohz). *The Creative Artist: A Journal of Theatre and Media Studies,* 13(2), 158-161.

Ezebuilo, C.N. & Eze, E.A. (2022). Uru Asụsụ bara na nchekwa na ọgwụgwọ nrịanrịa dịka o si metụta nje na ọrịa obirinaajaọcha. *Port-Harcourt Journal of History & Diplomatic Studies,* 10(i) 319-225.

Ezebuilo, C.N. (2020). Lexicalization in Igbo Syntax: Ph.D thesis, University of Nigeria, Nsukka.

Ezebuilo, C.N., Elom, E.A. & Udechukwu, C.N. (2022). Ngwaa dịka eriri ji obele n'asụsụ Igbo. *Port-Harcourt Journal of History & Diplomatic Studies,* 9(3), 409-424.

Hyman, L. (1975). *Phonology: Theory and Analysis.* New York: Harcourt Brace.

Igwe, G.E. (1963). *A descriptive grammar of Igbo*. London: Oxford University Press (O.U.P)

Ikekeonwou, C.I. (1996). Patterns of assimilation of Igbo vowels: An acoustic account. A paper presented at the Department of Linguistics, University of Nigeria, Nsukka, Seminar Series.

Ikekeonwu, C.I. (1997). Isiokwu ufọdụ na fonoloji Igbo: Study guide: Department of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka.

Ikekeonwu, C.I., Ezikeojiaku, Ubani, A., & Ugoji, J. (1999). *Fonoloji na grama Igbo.* Nsukka: University Press Plc.

Mbah, B.M & Mbah, E.E. (2004). *Topics in phonetics and phonology*: *Contributions from Igbo*. Nsukka: Paschal Communications.

Ngoesi, M.C. (2004). *Nchịkọta ihe ọmụmụ nke Asụsụ Igbo maka ule Siniọ Sekọndịrị.* Nkpor: Optimal Press Limited.

Nwachukwu, P.A. (1983). *Towards an Igbo literary.* Standard Kegan Paul.

Ofili, N.D., Chukwu, A.O. & Anozie, C.C. (2012). *Lingwistiiki sayensi asụsụ II.* Enugu: Computer Edge.

Okafor, C.U. & Ewelukwa, U. (2018). *Nhazi Asụsụ Igbo (Usoro ọhụrụ) maka siniọ sekọndịrị na koleeji.* Onitsha: A.O. Global Publishing Co. (Nig)

Otagburuagu, E.J., Obah, T.Y., Onuigbo, S.M. & Okorji, R.I. (2007). *Teaching English language skills: A foundation course in educational linguistics.* Nsukka: Anyi-P & Sons Printing Press.

Uba-Mgbemena, A. (2006). *Ntọala usoro Asụsụ igbo.* Ibadan: Gold Press Limited.

Ugwuona, N.C., Nwankwo, O.A. & Nweze, I.M. (2020): *Ntọala nọ isiokwu ụfọdụ na fọnọlọjị tinyere olundị*. Nsụka: University of Nigeria Press.

Ume, I. A. O., Ugoji, J. U. & Dike, G. A. (1989). *Ụmị nkọwa ụtọasụsụ Igbo.* Onitsha: Kawuriz & Manilas Publishers Ltd.

Welmers, W. E. (1973). *African language structures.*

Williamson, K. (1979). *Practical orthography in Nigeria.* Port-Harcourt Unpublished.